# NTỤCHA ỤFỌDỤ ASỊNILU IGBO: ỤZỌ NKUZI EZI AGWA

**Florence Uju Ibeh**

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Steeti Anambara, Naịjirịa
Email: uf.ibeh@unizik.edu.ng

08038742486

## Ụmịedemede

Asịnilu bụ ụdị ilu Igbo a na-akpọ mmadụ maọbụ ihe ọzọ aha sị na ọ bụ ihe onye maọbụ ihe ahụ kwuru. Ihe abụọ kpalitere odee ileba anya n'ụdị isiokwu a bụ otu ọtụtụ ndị mmadụ si eleghara anya n'ihe ziri ezi ha kwesịrị ime n'ebe dị iche iche na etu ụfọdụ si agwakọ asịnilu na ilu ọnụ. Ihe ndị a kpalitere mmụọ odee iji asịnilu mee nchọcha dị otu a. Ebumnobi nchọcha a bụ isi na nkọwa asịnilu na ilu gosipụta ndịiche dị na ha. Ọzọ bụ ịkọwa ezi agwa na ịchọpụtasị asịnilu ndị na-akụzi ezi agwa na echiche ha nwere. Ngwa nchọcha a si n'akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche. Odee jikwa ọgụgụ isi ya dị ka nwaafọ Igbo chepụta ụfọdụ. Nchọcha a gbasoro usoro nkọwasị. Ọ bụ atụtụ njirimee na ndịmkpa ka e jiri tụchaa ngwa nchọcha a, ma chọpụta na asịnilu na ilu abụghị otu. A chọpụtakwara na e nwere ike iji asịnilu kuzie ezi agwa dị iche iche dị ka ikwu eziokwu, idebe oge, ịgba mbọ na ezi agwa ndị ọzọ. A na-atụ aro ka ndị okenye na ndị nọ na ngalaba amụmamụ asụsụ Igbo gbalisie ike n'iji asịnilu na-akụzi ezi agwa ma na-eme nchọcha n'asụsụ Igbo tụmadị n'amụmechiche ka e wee nwee ọtụtụ ihe ederede ndị ga na-ewulite asụsụ Igbo.

**Ọkpụrụkpụ okwu: Asịnilu, Ilu, EziAgwa na Nzimozi**

## Okwu mmalite

Asụsụ bụ ụzọ doro anya mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Ọ bụkwa ụzọ mmadụ si ezipụta ihe o bu n'uche. E nwekwara ike ịkọwa asụsụ dị ka ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si akparịta ụka ma na-ezikọrịta ozi.

Mkparịta uka ga-adị ire ma ọ bụrụ na ndị na-akparịta ụka maara asụsụ ha ji akparịta ụka nke ọma. Ndị Igbo nwere asụsụ na omenala ha ji egosipụta ihe ha na-eme na ndụ ha. Ihe so mee ka asụsụ a bụrụ ịgba bụ atụmatụokwu dị iche iche o nwere, nke asịnilu, ilu, akpaalaokwu kacha bụrụ isi sekpụ ntị na ya n'ihi na ha na-apụtakarị ihe mgbe ọ bụla nwaafọ Igbo na-ekwu okwu. Ugonna (1974) kwadoro nke a oge ọ sị, "ilu na-adasị n'ọnụ ndị Igbo n'oge ọ bụla n'ọnọdụ ọ bụla, n'ebe ọ bụla n'ihi n'ime obi ha ma ọ bụ n'ime ahụ ha ka ọ mịrị ka mkpụrụ osisi." Atụmatụokwu ndị a kpọrọ aha so bụrụ okwu nka ma sorokwa n'atụmatụokwu kacha eme ka asụsụ Igbo dị ụtọ na ntị ma na-eme ka ihe mmadụ na-ekwu nwee echiche miri emi. Ifeagwazị (2010) bụkwa onye ọzọ kwadoro nke a. N'okwu ya, ọ sịrị na n'ala Igbo, onye ọ bụla kwuchara okwu ghara itinye ya atụmatụokwu ọ kacha ilu na akpaalaokwu dị ka onye nyụchara nsị ghara ịkapị ya ọnụ.

Ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha ma detuo ọtụtụ ihe gbasara asịnilu, ilu, akpaalaokwu na atụmatụokwu ndị ọzọ ma o nwebeghi onye derela gbasara asịnilu Igbo dị ka ngwa e ji akụzi ezi agwa. Ya ka o ji dị mkpa na a ga-eme nchọcha n'isiokwu a.

Ihe kpalitere nchọcha a bụ na ọtụtụ ndị mmadụ na-eleghara ụfọdụ ezi agwa anya n'ebe dị iche iche dị ka n'ebe a na-arụ ọrụ, n'ebe a na-azụ ahịa, n'ebe ebikọrọ ọnụ d.g. Nke a mere odee jiri chọọ ịchọpụta asịnilu e nwere ike iji kuzie ezi agwa ndị a na-eleghara anya. Ihe odee jiri were nka okwu a bụ asịnilu mee nchọcha a bụ maka mgbagheri anya ụfọdụ ndị odee na-etinyere ndị na-amụ asụsụ site n'ikpokọta asịnilu na ilu ọnụ dị ka otu ihe.

Ebumnobi nchọcha a bụ ịkọwa asịnilu na ilu chọpụta ndịiche dị na ha, ịkọwa ihe bụ ezi agwa na ichọpụta asịnilu kọwara ezi agwa dị iche iche. Nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'asịnilu Igbo a ga-eji kuzie ezi agwa. O metụghị asịnilu mba ọzọ. A gaghị atụle agwa ọzọ abụghị ezi agwa.Ajụjụ nchọcha ndị a ga-aza iji mejuputa ebumnobi nchọcha a bụ: Kedụ njirimara asịnilu na ilu? Gịnị bụ ezi agwa? Kedụ asịnilu kuziri ezi agwa ndị a hụpụtara?

Na ngwụcha nchọcha a, e nwere ọtụtụ uru a aga-esi na ya nweta.Uru ndị a bụ na nghọta asịnilu na ilu ga-adịrị ma onye elu ma onye ala mfe. A ga-esikwa na nchọcha a ghọta ihe bụ ezi agwa na asịnilu na-akuzi ezi agwa ndị a họpụtara. Ọ ga-abawanyekwa ọnụọgụ ihe ndị e derela gbasara ụdị isiokwu a. Ụdị nchọcha a ga-enyekwu aka n'iwulite asụsụ Igbo.

## Ntụlegharịagụmagụ

Na mpaghara a, nwanchọcha lebara anya n'ọkpụrụkpụ okwu pụtara ihe na nchọcha a, ntulegharị nchọcha e merele n'isiokwu na atụtụ njimarụ.

## Ntụlegharị ọkpụrụkpụokwu

A ga-eleba anya n'ụfọdụ okwu gbara ọkpụrụkpụ metụtara nchọcha a.

### Asịnilu

Asịnilu bụ otu n'ime ngalaba atụmatụokwu e nwere n'asụsụ Igbo, nke na-eyi ilu n'ụdị ya mana ọ bụghị ilu. Odunke (1981) kọwara asịnilu dị ka atụmatụokwu na-eyite ilu mana a na-agba asịrị na ya. Dị ka o si kọwaa, ọ bụ na ya ka a na-asị na otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ sịrị. Asịnilu dị ka Nwadike (2003) siri kọwaa bụ ilu a nụrụ n'ọnụ ndị ọzọ ma ọ bụ ilu ndị e tinyere n'ọnụ osisi, anụmanụ na ihe ndị ọzọ.Echiche Okeke (2017) adịghị iche n'echiche ndị ọzọ; na nkọwa nke ya, asịnilu ma ọ bụ nsịnilu bụ ilu a na-akpọ otu ihe aha sị na ọ sịrị nke a maọbụ nke ọzọ. Dị ka o si kọwaa, e ji ya enye mmadụ ndụmọdụ ma ọ bụ adọ mmadụ aka na ntị. Ọ bụchaghị sọ nke a, a na-ejikwa ya ekwu okwu n'ụzọ dị nkenke.

Na nchịkọta, nwanchọcha na-etinye na asịnilu bụ atụmatụokwu yitere ilu mana a ga-asị na otu ihe ma ọ bụ ihe ọzọ sịrị. Asịnilu ga-enwerịrị ihe sịrị ihe na ya ma ọ dịghị otu ahụ, ọ gaghị abụ asịnilu.

### Ilu

A kọwaala ilu n'ụzọ dị iche iche. Achebe (1958) kọwara na ọ bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ọ bụ okwu dị omimi nke chọrọ echiche miri emi maka nghọta ya. Asụsụ ọbụla nwere ilu dị iche iche ha ji ekwu okwu na-achọ okwu ha mma.Na nkọwa Ugonna (1974), ilu bụ nka okwu, nke e ji akpa ọchị na mkparịta ụka. Ọ pụtara *similitude* na Bekee. Ihe nkọwa a na-egosi bụ na ilu bụ nnukwu aha jikọtara ma asịnilu maụkabụilu na ọtụtụ atụtụ uche ndị ọzọ ọnụ.Obiechina (1975), sịrị na ilu dị ka mkpụrụ akị, nke akọna uche nri ọdịnala jupụtara n'ime ya. N'echiche Obiechina, a ga-asị na ilu bụ ụdara nke mkpụrụ jupụtara n'ime ya bụ okwu amamihe, akọnauche, nkụzi na nghọta miri emi.

Onwudufo (2018), na nkọwa nke ya, sịrị na ilu bụ amamihe ndị mgbe ochie, nke gbasara ihe ha maara na ihe ha hụrụ tinyere ihe ha chere gbasara ihe na-eme n'okpuru

anyanwụ nakwa n'ije ụwa nke a. Ihe nke a gosiri bụ na ilu abụghị ihe a nọkatara kwube; ọ bụghị ihe malitere taa.
Na nchịkọta, nkọwa niile e mere ebe a dịcha mma ma na-arụtụ aka n'otu ihe. Ha na-akọwa na ilu bụ nka okwu ma dị omimi, nke e ji achọ okwu mma. Ihe nkọwa ilu a ji dị mkpa bụ ka e gosi na asịnilu na ilu abụchaghị otu dị ka otụtụ ndị mmadụ si eche.

**Ezi agwa**

Agwa bụ ụdị omume mmadụ na-eme a na-ahụ anya. Ezi agwa pụtara agwa dị mma mmadụ na-akpa n'ebe ọbụla ọ nọ. Okafọ (2017) kọwara ezi agwa dị ka ihe dị mma mmadụ na-eme n'anya mmadụ na n'anya Chineke. Ya bụ, ezi agwa bụ ihe ndị dị mma mmadụ na-eme ọhanaeze nabatara. Okafọ, Osuji, na Ụwakwe (2014) kpọrọ ya agwa ọma. Na nkọwa nke ha, ha sịrị na agwa ọma bụ omume mmadụ na-eme nke enweghi nkọcha, Ọ bụ omume onye ọbụla nabatara dị ka ezi omume kwesiri nṅomi. Ihe a na-eṅomi eṅomi bụ ihe dị mma.

**Nzimozi**

Nzimozi bụụzọ mmadụ na ibe ya si eji asụsụ ekwukọrịta okwu nke na-eweta mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Ndimele (2007) kọwara nzimozi dị ka usoro nkwekọrịta echichena-adị n'etiti onye na-ezi ozi na onye maọbụ ndị ọ na-ezi ozi. Na nkọwa ya, ọ sịrị na ọ bụrụ na onye e ziri ozi aghọtaghị ihe e ziri ya, a mara na nzikọrịta ozi adịghị ire ma ọ ghọta ihe e ziri ya dị ka e si gwa ya, a mara na nzimozi ahụ dị ire.

Wilson (1992) kọwara nzimozi n'ụzọ dị mfe. Ọ sịrị na ọ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si ekwukọrịta, atụkọrịta echiche ma na-akparịta agwa.

**Ntụlegharịnchọcha eeerela n'isiokwu**

N'ebe a, a ga-eleba anya n'ihe ndị mmadụ merela n'ihe yitere isiokwu a. Site n'ime nke a, a ga-amata ma ime nchọcha n'isiokwu a ekwesịrị ekwesị.

Mbah na Mbah (2007) kọwara na asịnilu bụ okwu amamihe na-adịkarị n'ụdị okwu ozi, nke a na-asị na otu ihe kwuru ihe, dị ka mmadụ, anụmanụ ma ọ bụ ihe nkịtị. Dị ka ha si kọwaa, ọ dị mkpa ịkọwa na asịnilu abụghị naanị ndị a maghị ha kwuru ha, o nwere ụfọdụ ndị mmadụ dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ kwuru, a ka ji ha ekwu okwu ugbu a. N'asịnilu, a na-akpọ mmadụ ma ọ bụ ụmụ anụmanụ aha wee kwuo ihe ha kwuru nke na-adị n'ụdị ilu. Dị ka ha si kọwaa, nke a pụtara na a ga-esi n'ọnụ otu agwa wee kwupụta ma ọ bụ detuo ya.

Ọmụmaatụ: 1
"Chinchi sị ụmụ ya nwee ndidi na ihe dị ọkụ ga-emechaa jụọ oyi". Nke a bụ ọmụmatụ asịnilu e si n'ọnụ anụmanụ kwupụta. Ọ bụghị naanị n'ọnụ anụmanụ ka e si ekwupụta asịnilu, e nwekwara ike isi n'ọnụ ihe ọbụla ọzọ kwuputa ya.

N'otu aka ahụ, Emenanjọ (1989) nyochara ndịiche dị n'etiti ilu na atụmatụokwu nakwa atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ dị iche iche. Ọ kọwara na ihe dị iche n'etiti ilu na asịnilu pụtara ihe n'ahịrịisi nke asịnilu ji ebido. Emenanjọ mere ka e nwee mgbagha n'etiti ọtụtụ ndị ọkammụta n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ ha kọchara echiche Emenanjọ banyere ndịiche ọ kọwara dị n'etiti asịnilu na ilu.

Ọpata (1994) mere nchọcha gbasara nchọpụta na ịkọwa ihe Emenanjọ bu n'obi gbasara asịnilu Igbo. Ọ kọwapụtara na ahịrịisi apụghị ịbụ ndịiche doro anya n'etiti ilu na asịnilu. Ọ sịrị na bịambịamgbochi, bịambịaụda, kwunkwugha, ndịiche na ndanusoro dịcha n'ilu mana ha adịghị n'asịnilu. Isiokwu nchọcha Emenanjo (1989) na Ọpata (1994) dị iche n'isiokwu nchọcha a n'ihina nchọcha ha atụleghi ụzọ a ga-esi were asịnilu kuzie ezi agwa.

Nwachukwu-Agbada (2002) gbasoro echiche Ọpata (1994) ma gbaghaa echiche Emenanjọ banyere ndịiche dị n'etiti ilu na asịnilu. Ọ jiri ọmụmaatụ doro anya gosipụta ihe Emenanjọ chere na ọ bụ ndịiche dị n'etiti ilu na asịnilu.

Ọmụmaatụ: 2

i. 'Enwe sịrị na ọ fọdụrụ obere ka iku ya rụọ ya mma'.

N'ahịrịokwu a, ahịrịisi ya bụ 'enwe'. Nke a ka Emenanjọ sị na ọ bụ ya ka e ji ama ihe dị iche n'ilu na asịnilu. Ọ bụrụ na ọ dịghị ya, ọ bụrụ ilu mana ọ dị ya, ọ bụrụ asịnilu. Nwachukwu-Agbada gbaghara nke a site n'ịsị na e nwere ike iwepụ ahịrịisi a, ahịrịokwu ahụ aka nwekwaa echiche. Nchọcha ndị a bara uru maka na ọ kọwapụtara na a na-enwe ihe mgbagwoju anya n'ịkọwa asịnilu na ilu dị ka a na-ahụta n'ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ ebe a na-akọwa ilu.

Ọfọmata (2016) na nchọcha ya, kwuru na e nwere ihe dị iche n'asịnilu na ilu. Dị ka o si kọwaa, asịnilu na-eji mmemmadụ were ezipụta echiche ya. Ya bụ na asịnilu na-ebu 'sị' maọbụ 'sịrị' ebe ilu na-akwụ otu ebe ma gaa n'ihu ikwu ihe a chọrọ ikwu ghara iwebata 'sị' maọbụ 'sịrị'.

Ọmụmaatụ: 3

a. Asịnilu: Nkapị siri na ihe ya ji egbu opi ma ya na-aga bụ maka ndị achọghị anụ isi.

b. Ilu: Ihe nkapị ji egbu opi ma ọ na-aga bụ maka ndị achọghị anụ isi.

N'ọmụmaatụ a, nke mbụ (a) bụ asịnilu, ji mmemmadụ 'nkapị sịrị' were bido ahịrịokwu a. Ebe nke abụọ (b) bụ ilu. Mmemmadụ adịghị ya.

Ọfọmata (2007) bịakwara igbo nsogbu chọrọ ịdapụta n'etiti ndị na-eme ndọrọ ndọrọ banyere ndịiche dị n'etiti asịnilu na ilu. Na nkọwa ya, o zipụtara na e nwere ụdị ndịiche doro anya n'etiti asịnilu na ilu mana n'agbanyeghị nke a, ma asịnilu ma ilu bụcha okwu nka ndị Igbo ji eme ka ụbụbọ dị ụtọ. Nchọcha Ọfọmata a ka dabakwara na nke a na-eme n'ihina o gosiri na ilu na asịnilu abụghị otu ihe na o nwere nnukwu ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Nchọcha Ọfọmata yiri nke a n'ihina Ọfọmata tụlere ndịiche dị n'etiti asịnilu na ilu mana ọ dị iche n'ihi na o lebaghị anya n'iji asịnilu kụzie ezi agwa.

**Atụtụ njimarụ**

N'ebe a, a tụlere atụtụ nchọcha a hiwere isi na ya. Atụtụ a tụlere bụ atụtụ njirimee na atụtụ ndịmkpa. Nke a ga-enye aka maka ntucha ngwa nchọcha.

**Atụtụnjirimee**

Onye chepụtara atụtụ a bụ Ludwig Wittgenstein n'afọ 1953. Wittgenstein kwadoro atụtụ a site n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ 'Nnyọcha atụtụoghere' nke bụ *Philosophical Investigations* n'asụsụ Bekee. Ihe atụtụ a na-ekwu bụ na echiche okwu ọbụla nwere gbakwasịrị ụkwụ n'ihe ndị nwe okwu ahụ ji ya eme. Ihe 'njirimee' pụtara bụ usoro e nwere ike ịgbaso wee jiri okwu mepụta ihe n'asụsụ, nke ọ dị na ya. Atụtụ Wittgenstein akwadoghiatụtụ ndị na-ekwu na ọ bụ n'ihe nrụgara aka ka e si amata echiche okwu ọbụla.

Atụtụ a na-eme nkọwa ya dị ka usoro nsirihụ ya siri dị. Ihe nke a pụtara bụ na echiche dị n'okwu gbadoro ụkwụ n'ihe e ji okwu ahụ eme n'asụsụ ọ dị na ya.

Uru atụtụ a bụ na ọ na-ewepụta echiche dị n'okwu na nsirihụndị nwe asụsụ ahụ mana mperi o riri bụ na ọ naghị enye ohere maka asụsụ nke ime mmụọ ebe ndị mmadụ si echepụta ihe ọhụrụ tupu ha ewepụta ya n'asụsụ ọhanaeze maka na atụtụ a na-ahụta asụsụ dị ka ngwaọrụ ọhaneze. Mperi ọzọ atụtụ a riri bụ na ọ kọwaghị maka asụsụ abụọ ji otu ihe eme ihe dị iche iche. Mana n'agbanyeghi mperi ndị a o riri, a ka ji atụtụ a arụ ọrụ ruo ugbua.

**Atụtụndịmkpa**

Ndị tụpụtara atụtụ a bụ Sperber na Wilson n'afọ 1986. Ihe atụtụ a na-akọwa bụ na okwu inwe echiche abụghị usoro okwu ahụ gbasoro kama ọ bụ mkpa okwu ahụ dị n'ụbụbọ. Ọ bụ mkpa okwu ọbụla dị na-ekpebi echiche e nwere ike inye ya nakwa ọnọdụ ya bụ okwu ga-anọ n'ụbụbọ. Sperber na Wilson na-akọwa na ọ bụ sọ okwu ndị dị mkpa n'ụbụbọ na-enwe echiche mana okwu ndị enweghi mkpa ha dị anaghị enwe echiche ọbụla n'ụbụbọ.

Uru atụtụ a bara bụ na ọ na-eme ka ndị mmadụ ghọta mkpa okwu ọ bụla dị n'ụbụbọ ma na-enyere okwuu aka ịkaba ahụ hazie okwu ya nke ọma ka o wee dị mma na ntị ndị ọnụụ nke ga-eme ka ha gee ya ntị mgbe ọ na-ekwu okwu.

Mperi atụtụ a riri bụ na a maghị usoro doro anya e ji ama okwu dị mkpa na nke adịghị mkpa. Nke a bụ maka na okwu dị mkpa n'ebe otu onye nọ nwere ike ọ gaghị adị mkpa n'ebe onye ọzọ nọ

Ka o sila dị, nnyocha atụtụ abụọ ndị a gosipụtara na ha dabara nke ọma dị ka atụtụ a ga-eji tụchaa asịnilu ndị e ji akụzie ezi agwa ụfọdụ e zipụtara ebe a. Atụtụ Wittgenstein na-akọwa na echiche okwu ọbụla nwere gbakwasara ụkwụ n'ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ. Atụtụ a pụtara ihe maka na asịnilu ndị a e ji kuzie ezi agwa a họpụtara bụcha nke ndị Igbo.

Atụtụ Sperber na Wilson kọwara ma mee ka mmadụ ghọta mkpa okwu ọbụla dị n'ụbụbọ na otu o si enyere okwuu aka ịhazi okwu ya ka ọ dị mma na ntị ndị a na-agwa. Atụtụ a dị mma na ebe a makana asịnilu ndị e webatara ebe a bụ ndị dị mkpa ma dabakwa n'ezi agwa ndị e ji ha kuzie.

**Nchịkọta ntulegharịagụmagụ**

Na nchịkọta ntulegharị agụmagụ e mere ebe a, e lebara anya n'ọkpụrụkpụ okwu metụtara isiokwu a. Ọkpụrụkpụ okwu a tụlere bụ asịnilu, ilu, nzimozi na ezi agwa. N'asịnilu na ilu, a tụlereha iji mara ma a ga-ahụta ihe dị iche na ha abụọ. A tụlekwara nchọcha e merela n'isiokwu ndị gụnyere nke Mbah na Mbah, Emenenjọ na ndị ọzọ mere gbasara isiokwu a. Ihe ọzọ e mere ebe a bụ atụtụ njimarụ abụọ a ga-eji mee nchọcha a bụ atụtụ njirimee na atụtụ ndịmkpa. Nchọpụta e nwetara na ntụle niile e mere gosiri na edebeghi ihe n'isiokwu a ya ka nchọcha a jiri dị mkpa.

**Nzipụta na ntụcha ngwa nchọcha**

N'ebe a, nwanchọcha lebara anya n'ihe bụ ebumnobi ya na nchọcha a, ndị bụ, ịkọwa asịnilu na ilu wee si na ya gosipụta ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Nwanchọcha gara n'ihu wepụta ụfọdụ ihe ndị a hụtara bụ ezi agwa ma gbaa mbọ ịchọpụta asịnilu ndị a ga-eji kuzi ha. Nwanchọcha jizi atụtụ njimarụ abụọ ọ kọwara ebe a bụ atụtụ njirimee nke Wittgenstein (1953) na atụtụ ndịmkpa Sperber na Wilson (1986) wee tụchaa ngwa nchọcha a.

**Njirimara asịnilu na ilu**

N'ebe a, e si n'ihe ndị a kọwara maka asịnilu na ilu gosipụta ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Ha bụ:

i. Asịnilu bụ ụdị ilu a na-akpọ otu onye ma ọ bụ otu ihe aha sị na ọ bụ ihe ihe ahụ kwuru.Ya bụ,ọ na-eji mmemmadụ ezipụta echiche ya. Mana n'ilu, ọ dịghị onye a na-akpọ aha sị na ọ bụ ya kwuru ya.

ii. Asịnilu nwere ike ịdị n'ụdị okwu ozi nke nwere ike isi n'ọnụ onye a maara pụta ma ọ bụ n'ọnụ onye amaghị ma ọ dịghị etu ahụ n'ebe ilu dị. Ilu bidoro dịwa mgbe agbụrụ nwe ilu ahụ malitere.

iii. Asịnilu na-adị n'ụdị nkenke akụkọ ma nwee ike inwe karịa otu ahịrịokwu mana ilu nwere ike inwe otu ahịrịokwu. N'ụzọ dị otu a, a ga-asị na asịnilu yitere ụkabụilu maka e ji nkenke akụkọ mara asịnilu.

iv. Asịnilu anaghị enwe bịabịamgbochi, bịambịaụda, ndanusoro d.g. mana a na-ahụ ha n'ilu na abụ Igbo.

v. Njirimara ọzọ bụ na asịnilu ga-enwerịrị ahịrịisi ma nwee nkeji abụọ bụ ahịrịokwu ndịnisi na ahịrịokwu mmeju keaha. Ahịrịisi dị ka Nwachukwu-Agada si nyeọmụmaatụ bụ,"Enwe sịrị na ọ fọdụrụ obere ihe ka iku ya rụọ ya mma". Ahịrịisi dị n'ahịrịokwu a bụ 'enwe'. Nke a ga-eso nkebiokwu na-akọwapụta ihe ahụ enwe kwuru.

**Nzipụta ezi agwa na asịnilu kuziri ha**

Ezi agwa e nwere dị ọtụtụ. Etu ahụ o si dị ọtụtụ ka e si nwee ụzọ dị iche iche e si akụzi ya. Ụfọdụ n'ime ihe ndị bụ ezi agwa ka a ga-ezipụta ebe a. A ga-ejikwa asịnilu dabara adaba wee zipụta ha. Ha bụ: ikwu eziokwu, ịbụ onye udo, ịdị umeala, ịgba mbo, ime ihe n'oge ya, ịkpachapụ anya, ime ihe n'oke, ike nkwụcha, ikwudosi ike, ime ihe n'oge, ịdị nkwadobe na inwe ugwu na nsọpụrụ.

| | Ezi agwa | Asịnilu | Nghọta dị na ya |
|---|---|---|---|
| 1 | **Ikwu Eziokwu:** Eziokwu bụ ndụ ebe asị bụ onwụ. Nke a bụ ihe a na-ekwu n'okwu. Eziokwu na-adịgide ọbụladị mgbe asị nwụchara. Ikwu eziokwu na-eweta udo n'ebe ọbụla mmadụ nọ | Ikwighikwighi sịrị na isi nwa ya buru ibu mana ọ bụ ya mụrụ ya. | Ọ dị mma mmadụ ikwu eziokwu n'agbanyeghị ihe ọ ga-apụta |
| 2 | **Ịbụ Onye Udo:** Udo dị mma n'ebe ọ bụla makana ọ na-eweta ndụ. Onye na-achọ udo, udo na-abịara ya. Ọhaneze na-ahụ onye ahụ n'anya. | Nkapị sịrị na ihe ya jiri egbu opi ma ya na-aga bụ maka ndị achọghị anụ isi. | Onye achọghị ihe ga-ese okwu ga-akaba ahụ zeere ihe ọbụla ga-ebute esemokwu n'etiti ya na mmadụ ibe ya. |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 3 | **Ịdị Umeala:** Umeala bụ ezi agwa mmadụ kwesịrị inwe. Ndị mmadụ na-ahụ onye dị umeala n'anya. | Awọ sịrị na ya tukwuchiri ụzọ mana ya abụghị onye mgba | Onye umeala anaghi anara ugwu na nsọpụrụ erughiri ya. |
| 4 | **Ịgba Mbọ:** Ịgba mbọ bụ ihe dị mma. Mmadụ ekwesịghị ịnọ nkịtị na-achọ onye ga-enye ya oge niile. Otu obodo dị ugbu a, onye arachaghị ọnụ ya ụgụrụ arachaara ya ọnụ ya. | Nwa dibịa sịrị na a na-akụ okoriko mbe, a na-ahụwanye ndị mmụọ | A na-agba mbọ a na-enwetawanye agamnihu. |
| 5 | **Ime Ihe n'Oge Ya:** Ihe ọbụla a na-eme eme kwesiri ime n'oge ya. E nwere oge ibe akwa na oge ịchị ọchị, oge ịrụ ọrụ na oge izu ike d.g. Ihe e meghi n'oge ya nwere ike imebi ihe maka na e mee ngwangwa e meghara ọdachị. | Nkakwụ sịrị na ọ na-adị mma o ruo oge isi isi, ka esie isi, o ruokwanụ oge ịfụ opi ka a fụọ opi. | Ihe e mere n'oge ya na-adị mma. |
| 6 | **Ịkpachapụ Anya:** Onye ọbụla na-eme ihe kwesiri ịkpachapụ anya maka inweta ihe ọghọm ma ọ bụ ihe ụta maka na ọghọm anaghị akụ ekwe ma ọ bịawa. Onye na-akpachapụ anya n'ihe ọ na-eme anaghị emerụ ahụ. | Ọkụkọ sịrị na ya na-atụgbu atụgbu were elo ka ọ ga-abụ ọnwụ gbuọ ya ka a hapụ ịsị na ọ bụ ihe ya loro gburu ya. | Onye na-akpachapụ anya n'ihe ọ na-eme anaghị emerụ ahụ. |
| 7 | **Ime Ihe n'Oke:** Mmadụ ime ihe n'oke bụ ezi agwa. Ụfọdụ ihe ndị mmadụ na-emebiga oke gụnyere iribiga nri na ịṅụbiga mmanya oke, iwebiga iwe oke dịrị gaba. Onye na-eme ihe ndị a enweghi ezi agwa. | Dibịa sịrị na ọ bụ ara bere n'oke ka ya na-agwọ | Ihe ọbụla a na-eme eme ekwesighi ka e mefe ya oke maka imebi ihe. |
| 8 | **Ike Nkwụcha:** Nkwụcha abụghị ụjọ. Onye na-eke nkwụcha anaghi enwe ihe ọghọm | Nkịta sịrị na ihe ya ji ebu ụzọ agbọ onye bịara be ya bụ ka ọ ghara ibu ụzọ gbọọ ya. | Onye ma ihe anaghị ekwe ka onye iro ya buru ụzọ buso ya agha. |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 9 | **Ikwudosi ike:** Mmadụ kwesiri ịma etu o si choọ ibi ndụ ya. Onye na-akwụdosi ike na ihe ọ na-eme bụ onye maara ihe ọ chọrọ. Ụdị onye ahụ abụghị onye ga-abụ ọ hụ oji, o jie, ọ hụkwanụ ọcha, ọ chaa. | Ogwumagala sịrị na ya agaghị eji na ọkụ na-agba hapụ ịga ije ọgaranya e ji mara ya. | O kwesighi ka mmadụ soro ndị ọzọ maka na ihe siri ike mebe ka ha si eme ma chezọọ onwe ya. |
| 10 | **Ime Ihe n'Oge:** Mmadụ ime ihe n'oge bụ ihe dị mma maka na ọ ga-eme ya ka ọ gbanahụ ọdachi. Onye bido n'oge tụtụba, tupu chi ejie, ọ tụtụjuo nkata ya. | Ọhịa sịrị onye ya nyere were ngwangwa n'ihi na ndị bụ ụmụ ya dị ọtụtụ. | Ọ na-adị mma mmadụ ime ihe mgbe ọ hụrụ ohere ya n'ihi na ọ dighị onye maara ihe ga-eme echi. |
| 11 | **Ịdị Nkwadobe:** Mmadụ ịdị nkwadobe na-egosi onye uche ya na-adị n'ihe ọ na-eme mgbe ọbụla. Mberede nyịrị dike mana mberede ka e ji ama dike. | Mbe sịrị na ihe ya ji achị ngwa egwu ya aga n'ụzọ bụ na ya amaghị ebe ya ga-ezute ndị na-eti egwu. | Mmadụ kwesiri ka ọ na-adị nkwadobe oge ọbụla ka ihe ghara imebinahụ ya. |
| 12 | **Inwe Ugwu na Nsọpụrụ:** Ọ bụ ihe dị mma mmadụ ịkwanyere onwe ya ugwu n'ihe ọbụla ọ na-eme. Onye ree ugwu ya, nsọpụrụ ya efuo. | Azụ ite sịrị ọkụ na okenye adịghị mma ile ihe dị oji oge niile. | Agwa mmadụ tofere dị mma ka ọ ghara ịkpazị ya ma hapụrụ ya ndị o kwesiri. |

## Nchịkọta

Nanchịkọta nchọcha a, a kọwara ọkpụrụkpụ okwu metụtara nchọcha a. Ọkpụrụkpụ okwu a tụlere bụ asịnilu, ilu, nzimozi na ezi agwa makana ha bụ isi e jiri kwaba okpu na nchọcha a. A chọpụtara na asịnilu bụ ihe e si n'ilu nweta mana ha abụchaghị otu. Nkọwa ndị ọkammụta e webatara gosiri na a na-enwebu ndọrọ ndọrọ n'etiti ndị ọkammụta gbasara ihe dị iche n'asịnilu na ilu. Otu n'ime ihe ha kọwara gbasara ndịiche dị n'etiti asịnilu na ilu bụ na asịnilu na-eji mmemmadụ ezipụta echiche ya. Ya bụ na asịnilu ga-enwerịrị 'sị' maọbụ 'sịrị' mana ilu anaghị enwe ha. Ilu na-akwụrụ ọtọ kwuo ihe a chọrọ iji ya kwu gbowam. Ha kọwakwara na ilu nwere ike inwe bịambiammgbochi bịambịaụda, mmabaụda, kwunkwugha ndịiche na ndanusoro ma na asịnilu anaghị enwe ha.

E zipụtara ezi agwa dị iche iche ma werekwa asịnilu dabara adaba e ji akuzi ụdị ezi agwa ndị e zipụtara ebe a. Ụfọdụ ezi agwa ndị e zipụtara ebe a bụ ikwu ezi okwu, ịbụ onye udo, ịdị umeala, ịgba mbọ, ime ihe n'oge, ịkpachapụ anya, ime ihe n'oke, ike nkwụcha, ịkwụdosi ike dịrị gaba. E wepụtara nkọwa asịnilu ndị a ma si na nkọwa e nwetara na ha gosi ka ha si rụtụ aka na nkuzi ezi agwa ndị e zipụtara.

N'ikpeazụ, atụtụ abụọ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ njirimee na ndịmkpa dabara adaba makana asịnilu e webatara na nchọcha a bụ ndị e si n'ala Igbo bụ ndị nwe ya weta rụtụrụ aka n'ihe atụtụ njirimeena-akọwa. Atụtụ ndịmkpa rụkwara ọrụ na nchọcha a n'ihina ọ kọwara maka ime ka ndị mmadụ ghọta mkpa okwu ọbụla dị n'ụbụbọ na etu o si enyere onye na-ekwu okwu aka ịhazi okwu ya nkeọma ka ọ dị mma. Ebe ọ bụ iji asịnilu kụzie ezi agwa, e webatara naanị ndị dị mkpa na nkuzi a.

**Mmechi**

Na mmechi, nwanchọcha mejupụtara ebumnobi ya bụ ịkọwa asịnilu na ilu Igbo, zipụta njirimara ha ma si na njirimara ha chọpụta ndịiche dị n'etiti asịnilu na ilu. Nchọcha a chọpụtasiri ụfọdụ ezi agwa dị iche iche ma chọpụtakwa asịnilu ndị e ji akụzi ezi agwa ndị a. Nwanchọcha chọpụtakwara na atụtụ abụọ a bụ atụtụ njirimee na ndịmkpa o ji mee nchọcha ya dabara nkeọma na nchọcha a. Nwanchọcha na-atụ aro ka e were asịnilu dị ka e si eji ilu na-akụzị ezi agwa na ihe ndi ọzọ ka nghọta ya bụrụ ihe ga-edo anya n'ebe ụmụaka nọ. Ọzọ, ndị nọ na ngalaba amụmamụ asụsụ Igbo ga-agbalisi ike n'ide ihe n'asụsụ Igbo tụmadị na ngalaba amụmechiche ka e nwee ọtụtụ ihe ederede n'Igbo na ya. Ụdị ihe ndị a ga-enye aka n'iwulite asụsụ na omenala Igbo.

**Edensibịa**


Achebe, C. (1958). *Things fall apart.* UK: William Heinemann

Emenanjọ, E. N. (1989). *Atụmatụ agụmagụ na atụmatụ okwu*. Ibadan: Longman Nigeria.

Ifeagwazi, P. A. (2010). *Uju atụmatụ okwu Igbo*. Onitsha: Edeji Prints.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azụonye lecture on Igbo literature and stylistics.* Nsukka: University of Nigeria.

Ndimele, O. M (2007) *Semantics and frontiers of communication* (2nd ed) Port Harcourt: University of Port Harcourt

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (2002). *The Igbo proverbs – A study of its content, performance and functions.* Enugu: John Jacob's Classic Publishers.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo*. Nimo: Rex Charles & Patrick.

Obiechina, E. N. (1975) *Culture tradition and society in the West African novel.* Cambridge : Cambridge Universiy Press.

Odunke, A. (1981). *Ọjaadịlị* (Igbo Play). Ibadan: Heinemann Educational Books Nigeria.

Ọfọmata, C. E. (2007). *Jụọ m Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Ọfọmata, C. E (2016). *Nsirinweta ilu Igbo (Ilu Igbo, nkọwa ya na nsirinweta ya).* Enugu: Goldfinger publications.

Okafọ, C. U (2017). *Ọkacha ụtọasụsụ na omenala Igbo.* Nkpor: Mid-Field Publishers.

Okafọ, S.N, Osuji, M.N, & Ụwakwe, O. C (2014) *Igbo sinịọ sekọndrị* .Onitsha Elites Pụblishers.

Onwụdufo F.O.F (2018) '*Akọ na uche' Mmanụ e ji eri okwu* (vọl. 2). *Igbo proverbs* (In English and Igbo). Ọka: Patrobas.

Opata, D. U. (1994). Emenanjo and generic study of Igbo wellelrism." *Nsukka Journal of the Humanities*. Vol. 7, 60 – 67.

Ugonna, N. (1974). "*In spoken Igbo literature*." Lagos: Notes And Records

Wilson, R. (1992). *Mass media, mass: An introduction.* New York: McGraw Hill.